Multidisciplinary Journal of Law, Education and Humanities (MJLEH)
Volume 1 Number 2, 2024 ISSN: 3043-6435, E-ISSN: 3043-6486
Online publication with Google Scholar indexing, Email: mjleh24@gmail.com

# NKỌWA NA NKỌWAAHA N’ASỤSỤ IGBO: NLEBAGHARỊ ANYA

**Chinweude N. Ugochukwu**
**Ngalaba Amụmamụ Asụsụ Igbo, Afrika na Nzikọrịta Ozi**
**Mahadum Nnamdi Azikiwe, Awka**
**cn.ugochukwu@unizik.edu.ng (07062603293)**

**Ụmị edemede**
Isiokwu nchọcha a lebaghariri anya na nkọwa na nkọwaaha n’asụsụ Igbo. E nwere mgbagwoju anya ụfọdụ ndị Igbo na-enwe gbasara nkọwa na nkọwaaha. Ụfọdụ na-eche na nkọwa na nkọwaaha bụ otu ihe. A chọrọ isite na nchọcha a mejupụta ebumnobi ndị a: izipụta mmetụta dị n’etiti nkọwa na nkọwaaha; igosipụta myiri na ndịiche dị n’etiti nkọwaaha na mkpụrụokwu ndị ọzọ yitere ya; ịkọwapụta ụdị nkọwa e nwere n’Igbo na ịtụpụta usoro ka mma isi kọwaa nkọwa na nkọwaaha n’asụsụ Igbo. Ụdị nchọcha e mere bụ nke sọvee, ebe a gbasoro usoro nkọwapụta iji mee ka isiokwu nchọcha doo anya. E sitere n’akwụkwọ ụtọasụsụ dị iche iche nweta ngwa ndị a tụchara na nchọcha a. A chọpụtara na nkọwa na nkọwaaha nwere mmetụta n’etiti onwe ha; nkọwaaha bụ otu n’ime ụdị nkọwa e nwere, ebe mkpụrụokwu ndị yitere nkọwaaha bụcha ahankọwa nke bụ otu n’ime ụdị aha e nwere n’Igbo. Ndị nkuzi na ụmụakwụkwọ ga-erite uru na nchọcha a n’ihi na ihe mgbagwojuanya a na-enwe gbasara nkọwa na nkọwaaha ga-edowanye ha anya. Nchọcha a ga-emekwa ka amụmamụ ụtọasụsụ Igbo na-agbawanye mgbọrọgwụ.
**Ọkpụrụkpụ okwu: asụsụ, ụtọasụsụ, nkejiasụsụ, nkọwa, ahankọwa**

## 1.1 Okwu mmalite

Asụsụ ọ bụla bụ mkpụrụokwu dị iche iche mejupụtara ya. Ihe e ji asụ asụsụ bụ ụdị mkpụrụokwu dị iche iche e nwere. Ọ bụ mkpụrụokwu e dokọrọ ọnụ n’ụdị dị iche iche dị ka ụtọasụsụ nke asụsụ ọ bụla siri dị ka e ji asụ asụsụ. A na-eji mkpụrụedemede dị iche iche emebe mkpụrụokwu n’asụsụ dị iche iche. Mkpụrụokwu niile dị n’asụsụ nwere ọrụ ha na-arụ dị ka ụdị ha si dị. Ya bụ na e kewara mkpụrụokwu niile dị n’asụsụ dị ka ọrụ ha na-arụ siri dị. Mkpụrụokwu niile na-arụ otu ụdị ọrụ na-anọkọ ọnụ n’otu òtù nke a na-akpọ nkejiasụsụ ma ọ bụ òtù mkpụrụokwu. Nkejiasụsụ bụ nchịkọta mkpụrụokwu dị iche iche n’òtù n’òtù dị ka ọrụ ha si dị. Asụsụ ọ bụla nwere nkejiasụsụ nke ya ebe o si ewere mkpụrụokwu o ji arụ ọrụ. N’ụtọasụsụ Igbo, ọ bụ mkpụrụokwu ndị e ji asụ Igbo mebere nkejiasụsụ Igbo. Nkejiasụsụ e nwere n’Igbo gụnyere ndị a: Mkpọaha, nkọwa ma ọ bụ nkọwaaha, ngwaa, nkwuwa, mbuuzọ, njikọ, na ntimkpu. N’ime nkejiasụsụ ndị a, naanị nkọwa ma ọ bụ nkọwaaha ka a ga-eleba anya. A bagidere nchọcha a n’ihi mgbagwojuanya ụfọdụ na-enwe gbasara nkọwa na nkọwaaha. Nke mere ka ụfọdụ na-eche na nkọwa na nkọwaaha bụ otu ihe. Ụfọdụ ndị odee na-eji nkọwa na nkọwaaha arụgara otu ihe aka. Nke a na-ebute mgbagwojuanya nye ụmụ akwụkwọ nakwa ụfọdụ ndị nkuzi. Ndị nkuzi ụfọdụ na-akụzi na nkọwa bụ otu n’ime nkejiasụsụ e nwere n’Igbo ebe ndị ọzọ na-akụzi na ọ bụ nkọwaaha bụ otu n’ime nkejiasụsụ e nwere n’Igbo. A chọrọ isite na nchọcha a zipụta mmetụta dị n’etiti nkọwa na nkọwaaha; gosipụta myiri na ndịiche dị n’etiti nkọwaaha na mkpụrụokwu ndị yiri ya; kọwapụta ụdị nkọwa e nwere n’Igbo ma tụpụta usoro a ga-esi gbochie mgbagwojuanya ụfọdụ na-enwe n’etiti nkọwa na nkọwaaha.

Na mmalite, a kọwara nkejiasụsụ dị ka ejirimara asụsụ dị iche iche nke nkọwa ma ọ bụ nkọwaaha bụ otu na ya; e lebara anya n’echiche ndị odee dị iche iche banyere nkọwa na nkọwaaha. E zipụtara mmetụta dị n’etiti nkọwa na nkọwaaha nakwa myiri na ndịiche dị n’etiti nkọwaaha na mkpụrụokwu ndị yiri ya. N’ikpeazụ, a kọwara ụdị nkọwa e nwere ma chịkọta nchọcha e mere site n’ịtụpụta usoro e nwere ike isi gbochie nsogbu na mgbagwojuanya a na-enwe gbasara nkọwa na nkọwaaha n’asụsụ Igbo.

## 1.2 Ntulegharị agụmagụ

Ndị odee dị iche iche agbaala mbọ ịkọwa ihe gbasara nkọwa ma ọ bụ nkọwaaha dị ka otu n’ime nkejiasụsụ e nwere n’ụtọasụsụ Igbo. Ọtụtụ ndị odee na-eji nkọwa ma ọ bụ nkọwaaha arụgara otu ihe aka. N’ebe a, a tụlere echiche ndị odee ụfọdụ banyere nkọwa na nkọwaaha.

Ume, Ugoji na Dike (1989:82-83) sị na nkọwaaha dị ka otu n’ime nkejiasụsụ Igbo bụ okwu na-akọwapụta ihe gbasara aha. Ha sị na nkọwa bụ otu n’ime ụmụ nkọwaaha tinyere mkpokọta, nrụaka na nke onye. Echiche ndị odee a na-egosi na ha hụtara nkọwaaha dị ka otu n’ime nkejiasụsụ Igbo nke nkọwa bụ otu n’ime ụmụ nkọwaaha nwere. Echiche Ezikeojiaku (1989:109-118) adighị iche na nke Ume na ndị otu ya. Ọ na-akọwa na nkọwaaha bụ nkejiasụsụ na-akọwa aha nke nwere ụmụ ndị a: nkọwa, nrụaka, mkpokọta na nkeonye. Ikekonwu, Ezikeojiaku, Ubani na Ugoji (1999) na nghọta nke ha sị kwa na nkọwaaha bụ nkejiasụsụ na-akọwa aha n’asụsụ Igbo. Nkọwa ha dabakwara na nke ndị odee dị n’elu.

Ezeomeke (1999), kwenyere na nkọwaaha bụ okwu niile na-akọwa mkpọaha. Ọ hụtakwara nkọwa dị ka otu n'ime ụmụ anọ nkọwaaha nwere dị ka o si depụta ha: nkọwa, nkọwaaha nrụaka, nkọwaaha mkpọkọta, na nkọwaaha nkeonye. Ngọesi (2000) kwadoro na nkọwaaha bụ nkejiasụsụ na-akọwa mkpọaha nke nkọwa bụ otu n'ime ụmụ ya. Echiche Uba-Mgbemena (2009) pụrụ iche n'echiche ndị odee ndị e buru ụzọ zipụta. Ụba-Mgbemena sị na nkọwa bụ otu n'ime nkejiasụsụ e nwere n'Igbo nke nkọwaaha bụ otu n'ime ụmụ ya. Ndị odee ọzọ metụkwara aka n'ihe gbasara nkọwaaha bụ Mbah na Mbah, (2014), ha sị na nkọwaaha bụ nkejiasụsụ na-ekwu ka ihe si dị. Ha emeghi ka a mata ụmụ ole nkọwaaha nwere dị ka ndị odee ndị ọzọ si kọwaa. Emenanjọ (2015) ji asụsụ Bekee lebaa anya n'echiche ndị odee dị iche iche gbasara nkọwaaha n'asụsụ Igbo. Ndị odee Emenanjo tụlere gbadokarịrị ụkwụ n'ịkọwa ọnụọgụgụ nkọwa dị n'asụsụ Igbo. O mere ka a mata na ọtụtụ mkpụrụokwụ a na-eche na ha bụ nkọwaaha abụghị n'ihi ụdị agwa ha na-akpa n'ahịrịokwu. N'ihi na Emenanjọ zipụtara echiche ya n'asụsụ Bekee, e nweghi ike ikwu ihe ọ kpọrọ nkejiasụsụ na-akọwa aha n'asụsụ Igbo. N'aka nke ha, Umeodinka, Ugochukwu, Ogwudile na Ilechukwu (2019:68-69) na-ekwu na nkọwa bụ otu n'ime nkejiasụsụ Igbo. Ha sị na nkọwa bụ mkpụrụokwu ndị ahụ ọrụ ha bụ ịkọwa aha nke e kewara ụzọ anọ ndị a: nkọwaaha, nrụaka, mkpokọta na nkeonye. Na nghọta Udemmadu na Egwuonwu-Chimezie (2022), nkọwa bụ nkejiasụsụ Igbo nke na-ekwu ma na-akọwakwu ihe banyere aha. Ọ bụ eziokwu na Udemmadu na onye otu ya kọwara ihe gbasara ahankọwa mana o nweghị ihe ha kwuru banyere nkọwaaha.

E nwere nchọcha ole na ole e mere yitere isiokwu a mana o nweghi nke ya na nchọcha nke a bụ otu. Nwachukwu (2015) mere nchọcha ya na Bekee n'isiokwu a kpọrọ "The phonosyntactic analysis of Igbo adjectives". Ọ kọwara usoro mmepụta na ọnọdụ nkọwaaha n'asụsụ Igbo. Nchọcha Nwachukwu yitere nchọcha nke a maka na ha metụtachara ihe gbasara nkọwaaha mana ha dị iche n'ihi na nchọcha nke a na-elebagharị anya n'ihe gbasara mkpụrụokwu niile na-arụ ọrụ nkọwa n'asụsụ Igbo nke nkọwaaha bụ otu n'ime ha. Umeodinka (2021) na nchọcha o mere na Bekee n'isi ọ kpọrọ "Corpus-based contrastive analysis of Igbo and English adjectives" zipụtara ụdị nkọwaaha e nwere n'asụsụ abụọ ndị ọ tụlere. Nchọcha ya bu n'obi ime ka nsogbu ndị Igbo na-amụ asụsụ Bekee na-enwe n'ịkọwapụta nkọwaaha Bekee ụfọdụ ndị oyiri ha adịghị n'Igbo belata. Umeodinka na Nwobu (2023) mekwara nchọcha ọzọ na Bekee n'isiokwu ha kpọrọ "A contrastive analysis of the syntax of German and Igbo adjectives". Site n'ịtụlekọrịta nkọwaaha Igbo na nke German, ha chọpụtara ụdị nkọwaaha e nwere n'asụsụ Igbo na nke German tinyere myiri na ndịiche dị n'ọnọdụ nkọwaaha na ndokọokwu nke asụsụ abụọ a tụlere. Ọ bụ eziokwu na nchọcha ha na nchọcha nke a metụtara nkọwaaha mana ebumnobi ha dị iche iche.

Edemede nchọcha ndị e lebara anya n'ebe a enweghi nke isiokwu ya na isiokwu nchọcha nke a bụ otu. Ebe nchọcha ndị a tụlere na-akọwa maka ụdị, ọnọdụ na mmepụta nkọwaaha n'asụsụ Igbo, nchọcha nke a lebagharịrị anya n'aha ndị odee dị iche na-akpọ mkpụrụokwu ndị na-arụ ọrụ ịkọwa aha n'Igbo iji kọwaa ma tụpụta ụzọ ka mma isi na-arụgara ha aka.

Site n'echiche ndị odee ndị a rụtụrụ aka n'ebe a, o doro anya na e nwere mgbagwojuanya gbasara nkọwa na nkọwaaha. Ebe ụfọdụ ndị odee na-asị na nkọwaaha bụ otu n'ime nkejiasụsụ Igbo, ndị ọzọ na-ekwu na ọ bụ nkọwa bụ otu n'ime nkejiasụsụ e nwere. Ndị mere nchọcha n'isiokwu yitere isiokwu nchọcha nke a mechara nchọcha ha na Bekee; o nweghi nke rụtụrụ aka n'ihe gbasara mkpụrụokwu ndị ọzọ na-arụkwa ọrụ nkọwa n'asụsụ Igbo. Nke a mere o jiri dị mkpa ilebagharị anya n'isiokwu nchọcha a iji mee ka a ghọtawanye ihe gbasara ya nke ọma.

**1.3 Nkọwaaha n'asụsụ Igbo**

Nkọwaaha bụ otu n'ime ngalaba nkọwa nke ọrụ ya bụ ikọwa aha. Ọ na-esotekarị mgbe mkpọaha ọ na-akọwa gachara. Ọ naghị ebu ụzọ tupu mkpọaha dị ka ọ dị n'asụsụ Bekee. Nkọwaaha anaghị eso ngwaa n'asụsụ Igbo. Okwu ụfọdụ nwere ike ịrụ ọrụ dị ka nkọwaaha bụ: ọcha ojii, ọjọọ, ọma, ukwu, nta, dị ka n'ọmụmaatụ ndị a:

(1) a. Akwa ọcha ka Ada yi.
b. Ehi ojii chụrụ ya ọsọ.
ch. Nwoke ọma ahụ bịara be anyị.
d. Ụlọ ukwu ahụ bụ nke m.
e. Eze wuuru nne ya ụlọ nta.

Mkpụrụokwu ndị a kara ihe n'okpuru bụcha nkọwaaha ndị pụtara ihe e nwere n'asụsụ Igbo. N'ihi na e nweghị ọtụtụ nkọwaaha n'Igbo Izugbe, e nwere mkpụrụokwu ụfọdụ a na-ewebata dị ka nkọwaaha ndị gụnyere: ogologo, mkpụmkpụ, obere, ochie, ọhụrụ. Lee ha n'ahịrịokwu:

(2) a. Nwoke ogologo bịara be anyị.
b. Akpa obere ka o nyere m.
ch. Nwaanyị mkpụmkpụ ahụ tiri ya ihe.
d. Ụlọ ochie ahụ adaala.
e. Akwa ọhụrụ bụ nke m.

N'ahịrịokwu ndị a, mkpụrụokwu ndị a kara ihe n'okpuru na-arụ ọrụ dị ka nkọwaaha n'ihi na ha na-esote mkpọaha ha na-akọwa. Mana mgbe ọ bụla mkpụrụokwu ndị a anaghị esote mkpọaha, mara na ha abụghịzi nkọwaha kama ha bụzi ahankọwa.

**Njirimara nkọwaaha**

1. N'asụsụ Igbo, nkọwaaha na-eso mkpọaha.

Ịma atụ:

(3) i. Nwa ọma
ii. Ewu ojii
iii. Nwaanyị ọjọọ
iv. Ụlọ ukwu
v. Nwa nta.

2. Nkọwaaha enweghị ike ịkwụ naanị ya bụrụ isiahịrị, isi nkebiokwu, nnapụta ma ọ bụ ọdụahịrị.

Ịma atụ:

(4) i. Ọ rụrụ ụlọ ahụ ogologo. (ahankọwa)
ii. Ogologo ya karịrị elu ya. (ahankọwa)
iii. Mma nwaanyị ahụ enweghi atụ. (ahankọwa)
iv. Nwaanyị ahụ bụ sọ mma. (ahankọwa)
v. Oji nwoke ahụ amaka. (ahankọwa)

Aha ndị a kachara ihe n'okpuru bụ ahankọwa. Nke a pụtara na nkọwaaha anaghị anọ n'isiahịrị ma ọ bụ n'ọdụahịrị.

3. Nkọwaaha anaghị eso mkpụrụokwu a bụ "dị" na ndokọokwu.

Ịma atụ:

(5) a. Ọ dị ogologo
<u>b.</u> Ahụ ya dị mma.
Ch. Efere ya dị obosara
d. Ihe ọjọọ dị njọ.
e. Akwa ya dị nkanka.
f. Ọ dị mkpụmkpụ.
g. Ọ dị nwayọọ
h. Ọ dị ocha.

4. Nkọwaaha anaghị agbanwe ụda ha, mana okwu ndị ọzọ na-agbanwe ụda ha.

Ịma atụ:

(6) i. akwa óchá .
ii. ewu ójíí
iii. nwoke ómá
iv. ihe ójọ́ọ́
v. azụ ókpọ́ọ́

E lee anya na nkọwaha ndị e zipụtara n'elu, a ga-ahụ na ha niile nwegbadoro otu ụdị ụdaolu (ya bụ ụdaolu elu elu). Nke a na-egosi na nkọwaaha anaghị agbanwe ụda ha na ndokọokwu.

**1.3.1 Myiri na ndịiche dị n'etiti nkọwaaha na ahankọwa**

Ahankọwa bụ aha na-akọwa aha ọzọ ya na ya gakọrọ na ndokọokwu. Ọ na-adị ka nkọwaaha nke na-egosi otu ihe dị ma site n'ọnọdụ ya n'ahịrịokwu, ọ na-arụ ọrụ mkpọaha. Ọnọdụ o nwere ike ịnọ na ya bụ n'isiahịrị ma ọ bụ na mmeju. Ọ na-esokarị ngwaa "dị" n'ahịrịokwu dị ka e zipụtara n'elu (1.3). Ọ na-etinyekwu nghọta gbasara ụdị, nsiripu ma ọ bụ mmetụta otu aha nwere n'ibe ya. Ahankọwa nwekwara ike iso ngwaa ọzọ. Oge ụfọdụ, ọ na-eso mbuụzọ dị ka mkpọaha si eme.

Lee ọmụmaatụ ebe ahankọwa na-eso ngwaa ọzọ na-abụghị 'dị':

(7) a. Ụcha akwa ya bụ ndụndụ.
b. Ụlọ ha buru ibu.
Ch. Ire ya ka njọ
d. Ụgbọala ahụ emeela ochie.
e. Akwa ya akala nka.

N'ahịrịokwu ndị e jiri maa atụ, ahankọwa (ụcha, ibu, njọ, ochie, na nka) dị na ha na-esocha ụdị ngwaa dị iche iche. 'ndụndụ' dị n'ahịrịokwu (a) na-eso ngwaa 'bụ'; 'ibu' na-eso ngwaa 'buru' na (b); 'njọ' na-eso ngwaa 'ka' n'ahịrịokwu (ch); ochie na-eso ngwaa 'emeela' na (d); ebe 'nka' na-eso ngwaa 'akaala' na (e).

Lee ọmụmaatụ ebe ahankọwa na-eso mbuụzọ n'ahịrịokwu:

(8) i. Ihe banyere ogologo nwaanyị ahụ ka a na-ekwu.
ii. E kwuru maka isiike nwata ahụ na-eme.
iii. Ha sị na mkpụmkpụ ya dị mma.

iv. Onyeisi ha kwuru maka omekome nwoke ahụ mere.
v. Ibe tinyere aka n'obere akpa Agazie.
vi. O wepụtara akwa ahụ na nnukwu igbe.
vii. Onye nkuzi dere ihe na mpempe akwụkwọ.
viii. Njideka chịnyere akwa ya na nkịrịnka akpa.

N'ahịrịokwu ndị e jiri maa atụ, ahankọwa niile na-esocha mbuụzọ. N'ahịrịokwu nke (i), ogologo bụ ahankọwa na-eso mbuụzọ 'banyere'. 'Isiike' bụ ahankọwa n'ahịrịokwu nke (ii) na-eso mbuụzọ 'maka'. Na (iii), mkpụmkpụ na-eso mbuụzọ 'na'. 'Omekome' bụ ahankọwa n'ahịrịokwu (iv) na-esote mbuụzọ 'maka'. N'ahịrịokwu (v-viii), ahankọwa ndị a: 'obere', 'nnukwu', 'mpempe', na 'nkịrịnka' dị na ha na-esocha mbuụzọ n'otu n'otu.

Nkọwaaha n'onwe ya bụ ụdị nkọwa na-akọwa maka aha. Ọ na-akọwa maka ụdị ihe ma ọ bụ ejirimara ihe ma nwee njirimara aha. O nwere ike ịza ajụjụ 'Gini?', ma ọ bụ 'nke ole?' gbasara aha. N'asụsụ Igbo, nkọwaaha na-esotekarị aha ọ na-akọwa n'usorookwu. Ahankọwa na nkọwaaha bụcha aha n'ụdị ha; mana ihe e ji amata nke bụ nke bụ site n'ọnọdụ ha na ndokọokwu

Lee ọmụmaatụ ahankọwa na nkọwaaha n'okpuru ebe a n'usoro ntụlekọrịta.

Ndịiche dị n'etiti Nkọwaaha na Ahankọwa:

| | **Nkọwaaha** | **Ahankọwa** |
|---|---|---|
| 9) a | Anyị gburu ewu ọcha. | Akwụkwọ ya dị ọcha |
| b | Nna m zụtara uwe ọhụrụ. | Uwe ọ zụtara dị ọhụrụ |
| ch | Oche ogologo bụ nke m. | Ogologo oche a dị egwu |
| d | O nyere ya ewu ojii. | Oji ewu ahụ amaka |
| e | O nwere obi ọjọọ. | O nwere ajọ obi |
| F | Nwoke mkpụmkpụ bịara be anyị | Mkpụmkpụ ya amaka. |

Mkpụrụokwu ndị a kara ihe n'okpuru nwere ike ịrụ ọrụ dị ka nkọwaaha ma rụkwaa ọrụ dị ka ahankọwa. Mgbe ha na-arụ ọrụ dị ka nkọwaaha, ha na-esochi mkpọaha anya. Ma mgbe ha na-arụ ọrụ dị ka ahankọwa, ha nwere ike ịnọ n'isiahịrị ma ọ bụ n'ọdụahịrị.

### 1.3.2 Nkọwa na ụdị ya n'asụsụ Igbo

Nkọwa bụ mkpụrụokwu niile na-akọwa mkpọaha. E kewara nkọwa ụzọ anọ ndị a: nkọwaaha, nrụaka, mkpọkọta/nziole, na nkeonye/nkeonwunwe.

(a) **Nkọwaaha**: Nkọwaaha bụ otu n'ime ngalaba nkọwa nke ọrụ ya bụ ikọwa aha. Ọ na-esote karị mgbe mkpọaha ọ na-akọwa gachara. Ọ naghị ebu ụzọ tupu mkpọaha dị ka ọ dị n'asụsụ Bekee. Nkọwaaha anaghị eso ngwaa n'asụsụ Igbo.

(b) **Nrụaka**: Nrụaka bụkwa ụdị nkọwa e nwere n'Igbo. Ha bụ mkpụrụokwu na-arụ aka n'ihe a na-ekwu ka o doo anya. Asụsụ Igbo (Izugbe) nwere naanị nrụaka abụọ: "A" na "Ahụ". Lee ha n'ahịrịokwu:

(10) i. Ụlọ a bụ nke m.
ii. Ewu ahụ na-ata ji.
iii. Ego a bụ nke ya.
iv. Ụlọ ahụ mara mma.

**(ch) Mkpokọta/Nziole**: Mkpokọta bụ nkọwa na-agwa anyị ole ihe a na-ekwu maka ya dị, ma ha dị ọtụtụ ma ọ bụ ole na ole. Mkpụrụokwu dị ka: dum, niile, imirikiti/imerime, ncha bụcha mkpokọta/nziole.

(11) a. Mmadụ niile bịara.
b. Ha dum bụcha nke m.
ch. Imerime n'ime ha abịaghị.
d. Ha ncha ka o buuru.
e. Ndị bịara ọgbakọ ahụ dị imirikiti.

(N'olundị, a na-eji ọnụọgụgụ ndị a egosi ole ihe a na-ekwu dị kpọmkwem - naabọ, naatọ, naanọ neese, neeri). Ọmụmaatụ ha n'ahịrịokwu:

(12) i. Ji naabọ ka o weere.
ii. Mmadụ neese ka ha chọrọ.
iv. Ụlọ neeri bụ nke m.
v. Ụmụ naasatọ ka nne ya mụrụ.
vi. Ugboro naanọ ka o churu mmiri.

(d) **Nkeonye/Keonwunwe:** Nke a bụ ngalaba nkọwa na-egosi onwunwe nke e ji nnọchiaha ezipụta. Ọrụ ya bụ ịkọwa onye nwe ihe a na-ekwu maka ya. N'ụtọasụsụ Igbo, e nwere ike were ha dị ka ngalaba nnọchiaha a na-akpọ nnọchinkeonye ma ọ bụ ngalaba nkọwa a na-akpọ nkọwa nkeonye.

Ọmụma atụ:

(13) i. Ego m ka o ji.

ii. Akwa anyị dị oke ọnụ.
iii. Ewu gị amụọla nnwa.
iv. Azụ ya akwụkwọ ahụ amaka.
v. Ha nwere ukwu osisi n'ụlọ ha.

N'ahịrịokwu ndị dị n'elu, mkpụrụokwu (nnọchiaha) ndị a kara ihe n'okpuru (m, anyị, gị, ya, na ha) bụcha nkọwa na-egosi onye nwe ihe a na-ekwu maka ya.

**1.4 Nlebaghari̩ anya na nkọwa na nkọwaaha n'asụsụ Igbo**

N'ụtọasụsụ Igbo, e nwere ụdị mkpụrụokwu dị iche iche na-arụ ụdị ọrụ dị iche iche n'ọnọdụ dị iche iche. E nwere mkpụrụokwu ndị na-akpọ aha ihe; nwee ndị na-ekwu ihe mere eme, nwee ndị na-ejikọ mkpụrụokwu na ibe ha; nwekwaa ndị na-etinyeso nghọta na mkpụrụokwu ndị ọzọ. Nkọwa so na mkpụrụokwu na-etinyeso nghọta na mkpụrụokwu ndị ọzọ. Nkọwa metụtara mkpụrụokwu niile na-arụ ọrụ ịkọwa aha n'asụsụ Igbo. Site na nchọcha e mere, a hụtara na ndị odee dị iche iche na-akọwa ihe banyere mkpụrụokwu ndị na-arụ ọrụ ịkọwa aha n'ụzọ dị iche iche. Ụfọdụ ndị odee na-akpọ mkpụrụokwu ndị ahụ nkọwa ebe ụfọdụ na-akpọ ha nkọwaaha. Nke a mere na ụfọdụ sị na nkọwa bụ otu n'ime nkejiasụsụ Igbo ebe ndị ọzọ na-asị na ọ bụ nkọwaaha bụ otu n'ime nkejiasụsụ Igbo.
Edemede nchọcha a na-ekwusi ike na ebe ọ bụ na e nwere mkpụrụokwu ndị ọrụ ha bụ naanị ịkọwa aha n'asụsụ Igbo, ọ dị mma ka a na-akpọkọta ha niile nkọwa; ka e werezie nkọwaaha dị ka otu n'ime ụdị nkọwa e nwere n'asụsụ Igbo dị ka Ubah-Mgbemena (2009); Umeodinka, Ugochukwu, Ogwudile na Ilechukwu (2019); na Udemmadu na Egwuonwu-Chimezie (2022) si kọwaa ya. N'ụzọ dị otu a, nkejiasụsụ Igbo bụzi ndị a: mkpọaha, ngwaa, nkọwa, nkwuwa, njikọ, ntimkpu, na mbuụzọ. Ebe nkọwa dị ka otu n'ime nkejiasụsụ Igbo metụtara mkpụrụokwu niile na-akọwa aha nke ụmụ ya bụ: nkọwaaha, nrụaka, mkpokọta, na nkeonye. E lee anya n'ọmụmaatụ e nyere maka ụdị nkọwa e nwere, a ga-ahụ na ọ bụ naanị nkọwaaha na-esochi aha ọ na-akọwa anya nke pụtara na ọnọdụ ya bụ n'azụ aha ọ na-akọwa. Ụdị nkọwa ndị ọzọ nwere ike ịgbanwe ọnọdụ ha mana naanị n'azụ aha ka nkọwaaha nwere ike ịnọ bụrụ ezigbo nkọwaaha. Ụdị nkọwa ndị ọzọ nwekwara ike iso mkpụrụokwu ọzọ dị ka ngwaa na mbuụzọ (lee anya na 1.3.2) mana nkọwaaha bụ naanị aha ka ọ na-eso na ndokọ okwu.

**1.4 Mmechi**

Nchọcha a kpebiri ilebaghari̩ anya n'ihe gbasara nkọwa na nkọwaaha n'asụsụ Igbo n'ihi mgbaghari̩ anya a na-enwe n'etiti ha abụọ. A malitere nchọcha a site n'ịtuleghari̩ echiche ndị odee dị iche iche n'ime akwụkwọ ụtọasụsụ ụfọdụ. E mere ka a mata na ndị odee ụfọdụ na-asị na nkọwa bụ otu n'ime njejiasụsụ Igbo, ebe ndị ọzọ na-asị na ọ bụ nkọwaaha bụ otu n'ime njejiasụsụ e nwere. E mejupụtara ebumnobi nchọcha a site n'ịtụcha ihe banyere nkọwaaha; izipụta myiri na ndịiche dị n'etiti nkọwaaha na mkpụrụokwu ndị yiri ya. A kọwapụtara ụdị nkọwa e nwere n'Igbo ma jirikwa atụ dị iche iche gosi nke ọ bụla n'ime ha. E wetere nchọcha n'isi njedebe site n'ịkọwapụta mkpa ọ dị inwe nkwekọrịta banyere nkejiasụsụ e nwere n'Igbo na aha izugbe a ga na-akpọ nke ọ bụla. Nchọcha a na-akwado ka nkọwa bụrụ aha jikọrọ mkpụrụokwu niile na-arụ ọrụ ikọwa mkpụrụokwu ndị ọzọ ebe nkọwaaha ga-abụzi otu n'ime ụmụ nkọwa e nwere n'Igbo. N'ụzọ dị otu a, nkọwa ga-abụzi otu n'ime nkejiasụsụ e nwere n'ụtọasụsụ Igbo. Nke a ga-eme ka mgbagwojuanya nke a na-ebutere ndị nkuzi na ụmụakwụkwọ belata.

**Edensibịa**

Emenanjo, E. Nolue (2015). *A grammar of contemporary Igbo* (Student's Edition). Port Harcourt: M & J Grand Orbit Communication.
Ezeomeke, S.O. (1999). *Igodo nghọta ụtọasụsụ Igbo*. Enugu: Easy Quality Press
Ezikeojiaku, P. A. (1989). Fọnọloji na ụtọasụsụ Igbo. Itupeju, Lagos: Macmillan Nigeria Publishers Ltd.
Ikekaonwu, C., Ezeikeojiaku, P.A., Anosike, Ubani and Ugoji, Jimbo (1999). *Fọnọlọji na grama Igbo*. Ibadan: University Press.
Mbah, B.M. & Mbah, E.E. (2014). *Atụtụ amụmamụ asụsụ*. Enugu: University of Nigeria Press.
Ngoesi, M. C. (2000). *Nchịkọta ihe ọmụmụ nke asụsụ Igbo*. Nkpor: Optimal Press.
Nwachukwu, J.C. (2015). "The phonosyntactic analysis of Igbo adjectives". Accessed on 26/11/2024 from: https://www.iwemi.com>changecurrency>the phonosy…
Uba-mgbemena, A. (2006). *Ntọala usoroasụsụ Igbo*. Obosi: Pacific College Press.
Udemmadu, T.N., na Egwuonwu, G.N. (2022). *Ụtọasụsụ na usorookwu Igbo*. Onitsha: Durability prints.
Ume, I. A. O.,Ugoji, J. U. na Dike, G. A. (1989).*Ụmị nkọwa ụtọasụsụ Igbo*. Onitsha: Kawuriz & Manilas Publishers.
Umeodinka, U.A. na ndị otu ya (2019). *Kpọkọpị ụtọasụsụ Igbo na ntụghari̩*. Divine Press: Awka.
Umeodinka, U.A. (2021), "Corpus-based contrastive analysis of Igbo and English adjectives". Accessed on 26/11/2024 from: https://www.researchgate.net>348
Umeodinka, U.A. & Nwobu, E.U. (2023). "A contrastive analysis of the syntax of German and Igbo adjectives". Accessed on 26/11/2024 from: https://journals.unizik.edu.ng